
# IGBO CATHOLIC COMMUNITY (ICC) OF NEW YORK,
# AT ANGELA MERICI PARISH, BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: 3RD SUNDAY IN ORDINARY TIME (YEAR A)
## SUNDAY, JANUARY 22, 2023

**HYMNS:**



| | |
|---|---|
| **ENTRANCE:** | **BINU UNU NILE** |
| **OFFERTORY:** | **OKAKA IMEKA/NARA CHINEKE NARA** |
| **CONSECRATION:** | **ANYI NA ARIO GI CHINEKE NNA** |
| **COMMUNION:** | **DETU YA ONU** |
| **POST COMMUNION:** | **O SACRAMENT MOST HOLY!** |
| **DISMISSAL:** | **TIENU MKPU ONU** |

**EKPERE MMEGHE**
Chineke ji ike nile di ndu ebighi ebi, biko, anyi na-ario Gi, n'eduzi omume anyi n'uzo o ga-amasi Gi; ka anyi jupta n'ezigbo oru n'aha nke Nwa Gi I huru n'anya Onye Gi na Ya di ndu na-achi…

**IHE OGUGU NKE MBU AIZAYA 8:23-9:3**

***Isi Okwu: Na Galili nke ndi mba ozo, ndi mmadu ahula ihe***

Na mgbe mbu, O mere ka e lelia ala Zebulon na ala Neftali. Ma na ngwucha oge, uzo oke osimiri ahu ga-eturu ugo; ala ahu no n'ofe Jodan nke bu onumara nke ndi mba ozo ga-eturu ugo. Ndi na-awaghari n'ochichiri, ahula nnukwu ihe; ihe achakwasala ndi bi n'ala onyinyo onwu. I meela ka obi ha juputa n'onu. Ha na-anuri nnukwu onu dika a na-ewe ihe ubi. Obi na-ato ha uto dika a na-eke ihe a lutara n'agha. Maka na dika n'ubochi Midia, I kupiala ibu ha bu n'ubu nke na-anyida ha ala. I gbajiela osisi no ha n'ubu na mkpara igwe nke onye ji aka ike na-amanye ha amanye.
***Okwu nke Oseburuwa.***
***Ekele diri Chukwu.***

**ABUOMA NA AZIZA 26:1-4.13-14 Az 1**

***Aziza: Onyenweanyi bu ihe m na nzoputa m***

1. Onyenweanyi bu ihe m na nzoputa m. Onye ka m ga-atu egwu? Onyenweayi bu ebe m na-agbaba oso ndu. O bu onye ka m ga-aso anya? ***Aziza***
2. So otu ihe ka m na-ario n'aka Onyenweanyi. Lee so ihe m na-acho; ka m biri n'ulo Onyenweanyi n'ubochi ndu m nile. Ka m na-ahu idi uto nke Onyenweanyi, biakwa na-atughari uche n'ulo nso Ya. ***Aziza***.
3. Ekwere m na aga m ahu obi oma nke Onyenweanyi n'ala ndi di ndu. Were obisike chere Onyenweanyi. Ee, chere Onyenweanyi. Obi sie gi ike. ***Aziza***.

**IHE OGUGU NKE ABUO KORINT 1:10-13.17**

***Isi Okwu: Kpezienu esemokwu di n'agbata unu.***

Umunna m! Eji m aha Onyenweanyi Jesu Kristi na-ario unu ka olu unu buru otu; ka unu na-ekwekorita ihe ibe unu na-ekwu; ka nkewa gharakwa idi n'etiti unu. Kama dirinu n'otu. Jikoonu onwe unu n'otu n'echiche na n'ihe unu na-ezube ime. Umunna m, n'ihi na ufodu mmadu ndi sin a ezi na ulo Kloi akoorola m, na esemokwu di n'etiti unu. Ihe m na-ekwu bu nkea: na olu unu nile n'otu na-ada iche iche: Otu onye n'asi: "Abu m onye nke Pol"; onye ozo si: "Abu m onye nke Apolos"; onye ozo asi: "Abu m onye nke Pita"; Onye ozo asikwa; "Abu m onye nke Kristi" E kere Kristi eke? A kpogidere Pol n'obe n'ihu unu? Ma o bu, e mere unu mmirichukwu n'aha Pol? Kristi eziteghi m ime ndi mmadu mmirichukwu. Kama O zitere m izisa Ozioma. O bughi izisa ya n'amamihe nke uwa, nke oka-okwu na nke isu asusu dara uda ka a ghara ime ka onwu Kristi nwuru n'elu obe buru ihe efu.
***Okwu nke Oseburuwa***
***Ekele diri Chukwu.***

**ALELUYA Mt. 4:23**
Aleluya, aleluya! Jesu kwuputara Ozioma nke alaeze, biakwa gwoo ndi na-aria oria. Aleluya!!

**OZIOMA MATIU 4:12-23**

***Isi Okwu: O gara biri na Kapanom, wee si otu a mezuo amuma Aizaya buru.***

Oge Jesu huru na e jidela Jon onye na-eme mmirichukwu tunye ya n'ulo mkporo, O wezugara onwe Ya jee Galili. O hapuru Nazaret, jee biri na Kapanom nke di n'uso osimiri, n'oke Zebulon na nke Naftali. O mere nke a ka okwu nke Aizaya onye amuma kwuru wee mezuo, si: "Ala Zebulon na ala Neftali, nke di n'uso osimiri, n'ofe ozo nke Jodan. Galili nke ndi mba ozo! Ndi bi n'ochichiri ahula oke ihe. Ihe achakwasila ndi bi n'ala nke onyinyo onwu." Site n'oge ahu, Jesu malitere ikwusa okwu si: "Chegharianu, n'ihi na alaeze eluigwe adila nso." Ma mgbe Jesu na-aga n'akuku osimiri Galili, O huru umunne abuo, Saimon onye a na-akpo Pita, na Andru nwanne ya, ka ha na-awunye ugbu ha na mmiri, n'ihi na ha bu ndi oku azu. Jesu wee si ha: "Bianu so M n'azu! Aga m eme unu ndi oku na-akuta mmadu dika e si akuta azu." Ngwa ngwa, ha wee hapu ugbu ha na nna ha wee sobe Ya. Mgbe Jesu si ebe ahu na-agaje, O huru umunne abuo ozo, bu Jemis na Jon, umu Zebedi, ka ha na nna ha no n'ugbo, na-emezi ugbu ha. Jesu wee kpoo ha. Ngwa ngwa, ha wee hapu ugbo ha na nna ha wee sobe Ya. Jesu wee na-ejeghari n'obodo nile nke Galili na-akuzi ihe n'ulo nzuko ha, na-ekwusakwa Ozioma nke alaeze Chineke. O gwokwara ndi mmadu oria di iche iche na nrianria di iche iche nke na-aria ha.

***Ozioma nke Oseburuwa***
***Otito diri Gi, Kristi.***

**EKPERE NHUNYE**
Onyenweanyi, biko, mee ka onyinye ndi a buru ihe ga-aso Gi inaranu. Meekwa ka aja anyi na-achu doo anyi aso, bia wetara anyi nzoputa, site na Kristi Onyenweanyi.

**EKPERE ANATACHAA ORIRI NSO**
Chineke ji ike nile, biko, mee ka amara Gi nke na-enye ndu, na-edu anyi; ka anyi wee nuria n'onyinye Gi oge nile. Site na Kristi Onyenweanyi.